# MKWAGIDE CHINEKE NYE ORÙ YA: ONYENDÚ NKE ISRAEL

## Ọnu-Ọgugu 17:1-13

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 106 – Nke Ndietiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ikpé nile nke JEHOVA bu ezi-okwu, ha nile ziri ezi n'otù" (Abù Ọma 19:9).**

### Nnwapụta nye Onye obiabụọ Eziokwu ahụ

Chineke naachọ mgbe ọ bụla ime ka Ya Onweya na uche Ya bụrụ ihe anwapụtara nye onye ahụ nke náeji ezi obi agba agụgọ. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga anyị gụrụ na O mere ka ala saghe wee lomie Kora, Detan, na Abairam; ọkụ nke sitere n'ebe Chineke nọ bibiri narị ndịisi abụọ na iri ise (250) bụ ndị náasọpụrụghị ike nke enyere Moses na Eron. Ihe otiti, alawo kwa puku mmadụ n'iyi bụ́ ndị tamurù ntamù megide ndị ndú ahụ niile nke ndị Israel. Ma Chineke ka jikekwara inye ihe ịrịbaàmà ọzọ iji gosipụta ịbụ isi nke Moses na ike nke enyere Eron – ihe ịrịbaàmà nke gaadịgịde mgbe niile, ihe náechetara ha ihe mgbe dum.

Chineke gwara Moses ka ndịisi ọ bụla nke ebo irinaabụọ nke Ụmụ Israel weta mkpan'aka, maọbụ alaka osisi na enweghị akwụkwọ, Moses gaewebata mkpan'aka irinaabụọ ahụ nime Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile debe kwa ha n'iru Igbe Ọgbụgbandụ ahụ n'ebe ahụ edebere Iwu Iri ahụ. Ọ dị ka ekwenyere Moses ịbànye nime Ebe Nsọ Kachasi Ebe Nsọ Niile mgbe ọ bụla - ọ bụ ezie na onyeisi nchụàjà pụrụ ịbànye ebe ahụ náánị otù ugbò n'arọ -- ọ bụ n'ebe a ka Chineke naagwa Moses okwu "site n'etiti Cherubim abụọ ahụ" (Ọpupu 25:22; 30:6; Ọnu-Ọgugu 7:89).

Mkpan'aka ọ bụla gaenwe aha onye naanọchita anya ebo ọ bụla n'elu ya, n'ihi nke a ọ dịghị ihe mgbagwojuanya banyere onye nwe nke o nwe. Na mkpan'aka nke ebo Livai aga edekwasị aha Eron n'elu ya.

### Márá Ifuru n'Otù Abalị

Ihe náemebeghị mbụ gaje ime otù nime mkpan'aka ndịa. Osisi ndịa niile yiri ibe ha mgbe Moses webatara ha nime Ụlọikwu ahụ, ma Chineke ekwuwo na otù nime mkpan'aka ahụ gaje ịma ifuru n'abalị ahụ. Ndị ahụ pụrụ ịhụrụ n'onwe ha aha nke dị n'elu mkpan'aka ahụ. N'ụzọ dị otú a ka ha gaeji mara onye Chineke rọpụtara dịka onyeisi nchụàjà nke ndị Israel.

Ihe opupu ndị nwere okpòrò dịka ọka naeto ọsọsọ karịa alaka nke ụdị osisi ọzọ ọ bụla, ma ọbụná otú a ha adịghị ámá ifuru n'otù abalị, ha adịghị kwa amị mkpụrụ ọ bụla. Mkpan'aka ndị ahụ eji lee ule ahụ sitere n'osisi almond, ma Chineke kwere mkwà na ọ bụghị náánị na ha gaawa akwụkwọ kama ha gaama kwa ifuru (maọbụ mkpụrụ).

### Nnukwu Nsogbụ site n'Okwu Nnyocha Ntà

Mmadụ pụrụ iche n'ezie na ndị Israel gaakwụsị ntamù megide ndịisi ha ma ọ bụrụ na emee ka ha mara nkeọma banyere ike ahụ enyere ndị ahụ. Ọ bụ maka ọdịmma nke ndị Israel ka Chineke ji chọọ ka ha nwee afọojuju, n'ihi na ha naabakarị ná nsogbu riri nne mgbe ọ bụla ha tamurù ntamù.

Náánị ntakịrị okwu nnyocha banyere ụzọ esi alụ ọlụ Onyenweanyị, maọbụ ịchọpụta ndahie ntà n'ebe onye-agbata obi nọ, pụrụ iduba mmadụ nime nsogbu dị omimi. Ihe dị ntakịrị naetóetó. Okwu nnyocha ntakịrị ahụ pụrụ itóetó rue náenweghị ntụkwasịobi n'ebe onyeisi nọ; mgbe ntụkwasịobi pụrụ, ọ dịghị kwa ihe ga ejigide mmadụ ahụ n'ebe eziokwu ahụ dị. Onye ahụ gaachọpụta mgbe ná adịghị anya na ịhụn'anya Chineke esiwo n'obi ya pụọ dịka ọ naele anya gburugburu ya ọ gaadị ya ka ọ dịghị kwa onye ọ gaatụkwasị obi. Nsogbu ahụ dị nime obi nke ya, otú ahụ Jisọs ji kọwaa ya site n'ihe banyere ntụhie ahụ na irighiri ahịhịa ahụ. "Ma gini mere i ji le irighiri ahihia nke dị n'anya nwanna gị, ma ị tụgharịghị uche ná ntụhie nke dị n'anya gi" (Matiu 7:3). Irighiri ahịhia ahụ bụ irighiri ihe nke dị n'anya onye ọzọ, ma ntụhie ahụ nke dị n'anya ya dị ukwuu nke mere na o juru anya na ọ pụrụ ịhụ́ ihe ọ bụla. Mgbe anyị kpereekpere rue mmeri, ijé ahụ nke anyị chéré na ọ dịghị mma n'ebe onye ọzọ nọ, ọ gaeju anyị anya ịhụ́ otú onye ahụ si maa mma nye anyị ma n'akụkụ nke ọzọ, mgbe anyị rapụrụ onwe anyị n'ịdịala nke mmụọ anyị gaachọpụta na anyị na echè na ihe adịghị agazi nkeọma n'ebe mmadụ niile nọ.

### Mkpụrụ

N'ụtụtụ mgbe Moses banyere nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile iwepụta mkpan'aka ndị ahụ, ha tọgbọrọ n'efu kpọọ kwa nkụ ma ewezuga nke ahụ edekwasịrị aha Eron n'elu ya. Ọ bụghị náánị na ọ dị ndụ ma máá kwa ifuru, kama ọ mịwo kwa mkpụrụ almond. N'otù abalị!

Mgbe ndị Israel niile pụtara ịhụ́ ihe meworo mkpan'aka ahụ niile; iri na otù nime mkpan'aka ahụ edekwasịrị aha ndị ná anọchita anya ebo niile nke Reuben, Simeon, Juda, Isaka, Zebulun, Josef, Benjamin, Dan, Asha, Gad, na Naftali kpọrọ nkụ. Ha dị kwa otú ahụ ha dị mgbe Moses ji ha bànye n'Ụlọikwu ahụ. Ma lee otú mkpan'aka Eron si máámma!

O nwere okoko dị ndụ na akwụkwọ, ifuru nke mara nnọọ mma, ya na almond ahụ nke mgbụgbọ ha dị nrò. Ha apụwo n'abalị ahụ, ha naegbu kwa maramara n'ịma mma ha dịka ozi nke sitere n'ebe Chineke nọ náegosi na Eron bụ orù Ya pụrụ iche. Mkpan'aka nke Eron bụ alaka náamị mkpụrụ.

**Esitere ná Mkpụrụ wee Mata**

N'okwu Chineke ahụ ekwuru n'Elu Ugwu, Jisọs kọwara otú esi amata ezi Onye Kraist. Ọ sịrị "Ya mere unu gēsite ná nkpuru-ha mazu ha" (Matiu 7:20). Gịnị ka ị chéré na mkpụrụ ha gaabụ? Pọl Onyeozi naagwa anyị sị "Ma nkpuru nke Mọ Nsọ bụ ihu n'anya, ọñụ, udo, ogologo ntachi-obi, obi-ọma, idi-nma, ikwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imeru-ihe-n'ókè" (Ndi Galetia 5:22, 23). Tụlee ihe nke a pụtara nime ndụ mmadụ. Nwa Chineke ahụ nke náamị mkpụrụ bụ onye nwere ịhụn'anya Chineke nime obi ya nke náeme ya ka ọ naahụ onye agbataobi ya n'anya dịka ọ hụrụ onweya. Jisọs sịrị na ọ gaahụ ọbụná ndịiro ya n'anya. Ọñụ naadị nime obi ya ọbụná na mgbe ọnwụnwa. Ọ dịghị eseokwu iji nweta ọchịchọ nke aka ya; ọ naenwe ogologo ntachiobi mgbe ihe náadịghị agazi; o nwere obiọma ọ dịghị eme mmadụ ihe ọjọọ, ọbụná ihe gaewuta échìchè mmadụ, ma ọ bụrụ na o nwereike inyere ya aka; ọ dị nwayọ ọ dịghị apụta igosi onweya ime ka amara ezi ihe niile nke ọ pụrụ ime. Nke ahụ bụ onye nke náamị mkpụrụ nke ibi ndụ nke Onye Kraist. Onye ahụ bụ onye dị mma n'anya Chineke na n'anya ndị obodo ya kwa, dịka mkpan'aka Eron siri máá mma.

Ịhụn'anya nke Chineke nime ndụ anyị dị mkpà karịa ọlu niile ọ bụla nke anyị pụrụ ịlụ; ọ bụ ezie na anyị pụrụ ikwu na anyị naalụrụ Chineke ọlụ. Pọl naagwa anyị na anyị pụrụ inwe okwukwe nke anyị gaeji pụ ibubiga ugwu pụọ n'ọnọdụ ya, ma ọ bụrụ na ịhụn'anya Chineke nime obi anyị ajụwo oyi; ọ gaghị abara anyị urù ọ bụla. Anyị nwereike ịjụ onwe anyị ka anyị wee nwee ike inyere ndị ogbenye aka; ma ọ bụrụ na anyị abụghị ndị amụrụ ọhụụ nke agụwokwara ná ndị eziomume, anyị adịghị eme ihe naatọ Jisọs ụtọ (I Ndị Kọrint 13). Mgbe anyị bụ ndị azọpụtara n'ezie, ịhụn'anya ahụ ewee dị n'obi anyị niile, ọlụ niile anyị naalụ gaegosipụta ịmamma niile nke idịnsọ Ya.

**Mkpụrụ Karị a**

Ná mmalite mgbe azọpụtara anyị o nwereike bụrụ na anyị agaghị amị mkpụrụ niile nke Mmụọ Nsọ, ma agaenwe ụfọdụ. Ma dịka anyị naaga n'iru ịchọ iru Chineke were kwa ndụ anyị na obi anyị náachụbiga àjà ókè nye Ya, ọ gaenye anyị ọtụtụ mkpụrụ ọzọ karị. Mgbe Pọl degaara ndị Filipai akwụkwọ, ọ sịrị, "Nka ka m'nēkpe kwa ekpere, ka ịhu-n'anya unu we nābabiga ókè karị nke uku nime nmazu na nghọta niile; ka unu we nwa ihe ha na ibe ha dị iche; ka unu we di ọcha n'obi ghara kwa isu ngọngọ rue ubọchị nke Kraist; ebe unu gābu ndi juputaworo ná nkpuru nke ezi omume, nke sitere n'aka Jisus Kraist, ka Chineke we nwe ebube na otuto" (Ndi Filipai 1:9-11). Ka ịhụn'anya anyị n'ebe Chineke nọ naetóetó otú a kwa ka mkpụrụ niile nke eziomume anyị náabawanye kwa rue mgbe anyị gaabụ ndị emejuru.

**Anwapụtara Eziomume nke Eron**

Eron bụ orù nke Chineke kwesịrị ntụkwasịobi, mkpụrụ ahụ nke mkpan'aka ya mịrị gosipụtara nke a. Mkpan'aka Eron na Iwu Iri ahụ ka etinyere nime Igbe Ọgbụgbandụ ahụ ka ọ bụụrụ "umu nnupu-isi ihe-iriba-ama." Chineke sịrị, "Ka ị we me ka ntanù nile ha si n'ebe M'nọ bisia, ka ha we ghara inwu."

Ndị ahụ tụrụ egwù n'ihi na ikpé ntamù ha tamurù megide Chineke na ndị Ya etéré mmanụ mara ha. N'ihi mmehie ahụ nke dị n'obi ha, ha chọrọ ịgbalaga site n'ebe Ụlọikwu ahụ dị bụ ebe Chineke nọ. Chineke naachọ ka ndị nke Ya náatụ egwù ka ha ghara imehie megide Ya, ma ọ bụghị egwù nke gaeme ka ha gbapụ n'ebe Ọ nọ. Ọ gaeme anyị ka anyị bụrụ ndị nwere nleruanya ime ihe gaatọ Ya ụtọ ka anyị wee si n'ụzọ dị otú a biarue Ya nso. Ndị dị otú a ka Chineke gaenye ụgwọọlụ dị ukwuu: "Le ka ezi ihe-Gi si ba uba, nke I tukọbaworo nye ndi nātu egwu Gi, nke I luworo nye ndị nāgbaba nime Gi n'iru umu madu!" (Abù Ọma 31:19).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee isiokwu nke nsogbu ahụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a bụ́ nke Chineke chọrọ ka O dozie?
2. Òlee otú Chineke gwara Moses ka o si dozie ya?
3. Ọ bụ mkpan'aka ole dị n'ebe ahụ? Òlee ndị nwe ha?
4. Òlee mkpan'aka nke aha Eron dị na ya?
5. Òlee otú mkpan'aka a si pụ iche n'ụtụtụ nke soni?
6. Gịnị ka mkpan'aka Eron naegosipụta?
7. Gịnị bụ mkpụrụ niile nke Mmụọ Nsọ?